# ỌBỊBỊA NKE ABỤỌ NKE JISỌS
## Luk 12:35-57
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 45 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ma okwu M'nāgwa unu ka M'nāgwa madu nile, Nēchenu nche" (Mak 13:37).**

**Nwanyị  Ahụ Anaalụ Ọhụụ Nke Kraist**

Otù ụbọchị dị nso Onyenweanyị gaabịa na mbara eluigwe ịkpọrọ Nwunye ọhụụ Ya gaa ná Nrianyasị Ọlụlụnwunye ahụ, nke gaadị n'otù ebe nime eluigwe. Nwanyị ahụ anaalụọhụụ gaabụ ndị sitere ná Nzukọ ahụ nke ndị Eburu ụzọmụpụta ndị jikereworo onweha maka ememe ahụ. Baịbụl naakọwa ya nkeọma ihe mmadụ náaghaghị ime iji wee soro n'ọnụọgụgụ òtù ahụ náemeriemeri, ndị ihe ọ bụla náagaghị ejide ịrịgo izute Onye ahụ náalụ nwunye ọhụụ. Ọ dị mfé ime ka onye ọ bula sonye nime ndị ahụ.

Ọ dịghị onye gaanụòkù ahụ ijé ná Nrianyasị Ọlụlụnwunye ahụ ma ọ bụghị ndị ahụ nọ ná njikere, bụ́ ndị "sa-kwa-ra uwe-nwuda-ha, me kwa ka ha di ọcha nime ọbara nwa-aturu ahu." Ọ gaeju ndị mmehie anya mgbe ezi NdịKraist niile gaapụ na mberede. Jisọs nwere ike ịbịa maka Nwunye Ọhụụ Ya n'oge ọ bụla -- ọbụná ugbu a -- ma náánị mmadụ olenaole naanọ ná njikere. N'iheọ̀mụ̀mụ̀ nke ụbọchị taa Jisọs gwara ndị náesoụzọ Ya na ọ bụrụ na nnanweụlọ matararị oge onyeori gaabịa, ọ gaejikereworị, ọ gaghị kwa arapụworị ụlọ ya ka egwupụ ya. Jisọs adọwo anyị akanántị na Ya gaabịa dịka onyeori naabịa n'abalị (I Ndi Tesalọnaika 5:2), n'ihi nke a anyị aghaghị ịnọ nánjikere oge niile.

**Isoro Chineke Jeéíjè**

Ka e wee dị nánjikeere maka ọbịbịa nke Jisọs, ọ bụghị náánị na mmadụ gaabụ onye azọpụtara gbaghara mmehie ya niile; onye edoro nsọ, mee ka ọ dịọcha site n'ọlụ amara nke abụọ; onye nwekwara ọwụwmmiri nke MmụọNsọ, uwe ọlụlụnwunye ahụ; ka ọ ghaghị ịnaakpá nso Chineke mgbe ọ bụla, dịka Inọk mere. Agbanwere Inọk o wee rịgo n'Eluigwe náanwụghị anwụ, dịka ọ gaadịrị nwanyị ahụ anaalụ ọhụụ nke Kraist ndị nọ ná ndụ mgbe Ọ gaabịa ọzọ.

Anyị aghaghị ịnaejeru Chineke nso ka ọlụ anyị, ihe niile anyị naeme, ndụ anyị onweanyị, wee bụrụ ihe ganaedu anyị rue ọbịbịa nke Onyenweanyị. Ọ bụrụ na anyị gaelefuru anya otù hour Jisọs ewee bịa, n'oge ahụ ihe niile gaefunarị anyị. Jisọs naachọ ka ndị Ya naechè nchè mgbe niile maka ọbịbịa Ya. Chee échìchè ụdị mmetụta dị egwù ọ gaabụ ịhụ na ewepụwo ndị Kraist site n'èzínaụlọ gị ewee rapụ gị ịbà n'óké mkpagbu ahụ. Tulee ọnọdụ ahụ jọgburu onweya na ebube nke ịbụ onye eweliri elu gaa na mbara eluigwe wee gbanarị nsogbu na ahụhụ niile nke gaadị n'eluụwa.

**Emechibidoro Ha Na Jisọs Ụzọ**

Jisọs gaapụta ìhè ugbò abụọ mgbe Ọ gaabịa ọzọ: nke mbụ Ọ gaabịa n'igweoji nke dị anyị n'elu, dịka óké magnet. Ọ gaadọrọ Nzukọ ahụ náemeriemeri nye Onweya. Mkpagbu dị óké egwù náabịa n'ụwa, oge ahụhụ nke ọ dịbeghị nke dị ka ya, Onyenweanyị achọghị kwa ka ụmụ Ya hụ ahụhụ. Ọ bụ ya mere Ọ ji naabịa iwepụ ndị nsọ Ya na nzuzo. Ọ gaasi: "Bia, ndim bata n'ime-ulo-gi nile, mechibido uzọ-gi nile na-azú-gi: zobe onwe-gi náni otù ntabi anya ntà, rue mgbe oké iwe gāgabiba" (Aisaia 26:20). Nwunye ọhụụ nke Kraist ahụ gaaba nime ụlọ achọrọ mma nke dị n'elu; ịnọdụ ala n'ebe ahụ ná Nrianyasị Ọlụlụnwunye nke Nwaatụrụ ahụ (nke bụ́ Jisọs). Jisọs Onweya gaabịa kwa náejere ha ozi. Mgbe ahụ ka agaenye ọtụtụ ụgwọọlụ n'ihi ozi ejere n'ikwesị ntụkwasịobi n'eluụwa. Ọ̀ gaghị abụ ihe ebube iso Jisọs nọ n'oriri ahụ jupụtara n'otuto?

**"N̄uria Ọn̄u Ka Obi Nātọ Kwa Ayi Utọ Nke-uku"**

Ọ gaabụ oge ịn̄ụrịọn̄ụ nye ụmụ Chineke mgbe Onye naalụ nwunye nke mkpụrụobi ha naabịa ịkpọrọ ha. Mgbe Jọn Onyeahụrụ n'anya nọ n'agweetiti ahụ nke Patmọs ọ hụrụ otù ọhụ̀ nke ihe gaadị n'ọdịn'iru o wee dee:

**"Ka ayi n̄uria ọn̄u, ka obi nātọ kwa ayi utọ nke-uku ka ayi were kwa otuto nile nye Ya: n'ihi na ọlulu-nwunye nke Nwa-aturu ahu abiawo, nwunye-Ya edoziwo kwa onwe-ya.**

**"Ewe kwenyere ya ka o gbokwasi onwe-ya ezi-ákwàọcha nēnwu enwu, nke di kwa ọcha: n'ihi na ezi ákwàọcha ahu bu ezi omume nile nke ndi nsọ.**

**"Ọ we sim, De akwukwọ, Ngọzi nādiri ndi akpọworo ibia ná nri-anyasi ọlulu-nwunye nke Nwa-aturu ahu" (Nkpughe 19:7-9).**

Ndị ahụ nke nwụworo anwụ dịka ndị meririemeri gaenwe kwa òkè n'óké ihe a gaeme. "N'ihi na Onye-nwe-ayị onwe-ya gēwere oké ikpọ-ókù, were olu isi-mọ-ozi, were kwa opi nke Chineke, si n'elu-igwe ridata: ndi nwuru nime Kraist gēbukwa uzọ si n'ọnwu bilie: mgbe ahu ayi onwe-ayi, bù ndi nọ ná ndu, ndi anārapu, ayi na ha ka agēwelikọ n'igwe-oji, izute Onye-nwe-ayi nime mbara-elu-igwe" (I Ndi Tesalọnaika 4:16, 17).

**Mkpughe Ahụ**

Mgbe ewepụsịrị Nwunye ọhụụ nke Kraist ahụ n'ụwa, mkpagbu ahụ gaeji óké ọnụma ya wee pụta. Nwanyị ahụ anaalụọhụụ ganaañụrịọñụ n'oriri ọlụlụnwunye ahụ ebe ndị jụrụ ijikere maka ọbịbịa nke Onyenweanyị ganaahụ́ ahụhụ n'okpuru ọchịchị nke Onye ahụ náemegide Kraist.

Ọgwụgwụ nke Nrianyasị Ọlụlụnwunye ahụ gaabụ kwa ọgwụgwụ nke mkpagbu ahụ. Mgbe ahụ Jisọs gaabịa ọzọ, n'oge nke a Ya na ndinsọ Ya gaeso, "anya nile ọ bula gāhuzu kwa Ya, ndi ahu gāhu kwa Ya, bú ndi mara ya ubè; ebo nile nke uwa gēti kwa-ra Ya aka n'obi" (Nkpughe 1:7). Ha gaeti aka n'obi n'ihi na ụjọ gaatụ ha izute Jisọs n'ikpè.

Nke a bụ oge ahụ nke Inọk buru amụma, "Le Onye-nwe-ayi biara, Ya na ndi nsọ ya anāpugh iguta ọnu, ikpe madu nile ikpé" (Jud 14, 15). Ha ganaanọkwasị n'elu ọtụtụ ịnyinya ọcha, n'ihi na anyị gụrụ ná Nkpughe 19:14, "Usu nile nke ndi-agha ndi di n'elu-igwe we so Ya n'elu inyinya ọcha nēyi ezi ákwàọcha, nke di ọcha nēnwu kwa enwu." Ì nwereike ichè échìchè ụdị ihe nkiri dị otú ahụ? Jisọs Onweya ganaanọkwasị n'elu ịnyịnya ọcha, were mkpàn'aka nke igwè chịa ụwa, n'elu apataụkwụYa ka edekwasịworo aha, EZE kachasị NDIEZE niile, NA ONYENWENỤ kachasị NDINWENỤ niile; ndị nsọ niile ndị nọrọ ná Nrianyasị nke Ọlụlụnwunye ahụ ganaeso kwa Ya n'àzụ̀, náanọkwasị kwa n'elu ọtụtụ ịnyịnya ọcha. Ha gaenwe òkè n'iso chịa ụwa. Jisọs sịrị na ụfọdụ gaachị otù obodo, ụfọdụ abụọ, ụfọdụ ise, ọbụná obodo iri.

**Ọchị chị Nke Otù Puku Arọ**

Kraist gaamalite alaeze nke anaahụanya n'eluụwa, ihe ganaadị kwa náaga n'iru dịka o si adị, nááni̍ na ihe niile gaadị n'okpuru Kraist. Agaewepụ ọbụbụọnụ ahụ, iheọkụkụ niile gaenwe kwa ịmamma ọhụụ. Ọ gaabụ ụwa dị ebube ibi na ya. Ndị nsọ niile emere ka ha si n'ọnwụ bilie gaenwe arụ ebube dịka Jisọs nwere mgbe O siri n'ọnwụ bilie, n'ihi na Ọ bụ "nkpuru mbu"; emesịa ndị nke Kraist n'ọbịbịa Ya (I Ndi Kọrint 15:23). O nwereike rie ihe ma ñụ kwa iheọñụñụ mgbe Ọ nọ n'arụ ebube ahụ, ọ pụkwara ịgafe ohere náenweghị onye ọ bụla gaamata, nwe kwa ike ịbànye nime ụlọ ọ bụla jekuru ndị nke Ya nọ nime ya mgbe emechisịrị ụzọ na windo ya niile. "Mgbe ahu ka ndi ezi omume gēnwupu dika anyanwu n'ala-eze nke Nna-ha" (Matiu 13:43).

N'ihi nke a anyị naahụ́ na ọbịbịa nke Onyenweanyị gaadị na mpụta ìhè abụọ; nke mbụ **iwepụ** Nwunye ọhụụ Ya ná Mwelikọ ahụ baa ná mbaraigwe, na nke abụọ Ọ gaabịa **Ya na Nwunye-ọhụụ Ya** wee rịdata kwa n'ụwa, ụkwụ Ya abụọ gaeguzo kwa n'elu Ugwu Olive ahụ ebe O siri rịgo (Zekaraia 14:4, 5). Ná **Mwelikọ**ahụ nááni̍ ndị nsọ gaanụòkù Ya, ma ná **Mkpughe** ahụ "anya nile ọ bula gāhuzu kwa Ya." Mwelikọ ahụ gaadị tupu óké mkpagbu ahụ, Mkpughe ahụ gaadị kwa mgbe mkpagbu ahụ gasịrị. Mwelikọ ahụ nwereike ịdị n'oge ọ bụla. "N'ihi nka unu onwe-unu buru kwa ndi edoziworo: n'ihi na n'oge hour nke unu nēchègh ka Nwa nke madu gābia" (Matiu 24:44).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị bụ Mwelikọ ahụ?
2. Òlee ndị gaarịgo n'elu ná Mwelikọ ahụ?
3. Ọ bụ onye ka eji Onyenweanyị tụnyere náMwelikọ ahụ? Ọ̀ bụ kwa onye ka eji nzukọ ahụ tụnyere?
4. Gịnị gaeme ndị nsọ nke Chineke n'oge mkpagbu ahụ?
5. Òlee ndị ha na Jisọs gaeso mgbe Ọ gaabịa ịchị eze n'ụwa? kọwaa ihe banyere ọbịbịa ha?
6. Ọ̀ gaadị gị ụtọ ịhụ́ Jisọs?